# ÁKÁRÁ NKE ỊBỤ ONYEOZI NKE PỌL

**2 Ndi Kọrint 10:1-18; 11:1-33; 12:1-21.**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 397**

**Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN"ISI: "Onye ya onwe ya nēme ka amara ya, ọ bụgh onye ahụ ka anwapụtaworo, kama ọ bụ onye Onye-nwe-ayi nēme ka amara ya" (2 Ndi Kọrint 10:18).**

## Ozi Ahụ Sitere N'Eluigwe

Otù ụbọchị Jisọs gosịrị Pọl Onyeozi Onweya n'ìhè náenwuenwu sitere n'Eluigwe. Mgbe Pọl zara sị "Onye-nwe-ayi, gini ka i nāchọ kam mee?" Onyenweanyị nyere ya ozi maọbụ ọlụ, ikwusa Jisọs "n'iru ndị mba ọzọ na ndi-eze, na umu Israel" (Ọlụ Ndị Ozi 9:15).

Jisọs mere ka Moses hụ́ Ya anya wee kpọọ ya òkù site n'etiti osisi ntà ahụ náere ọkụ n'ọzara Midia. Mgbe Moses zara sị "Lekwam" Onyenweanyị nyere ya ozi ịnapụta ndị Israel n'ịbụorù nke Ijipt.

Jisọs mere ka Pita na Andru hụ́ Ya anya ka ha na awụnye ụgbụazụ ha na mmiri. Mgbe ha rapụrụ ụgbụ ha ngwangwa soro Jisọs. O nyere ha ozi ịbụ ndị ọ̀kụ̀ náakụta mmadụ.

## Ozi Nke Gị

O nwere otù oge nime ndụ onye ọ bụla mgbe Jisọs naeme ka ọ hụ́ Ya anya n'ụzọ ụfọdụ. Ò mewo ka ị hụ́ Ya anya? Ọ pụrụ ịbụ náánị n'olu ntà nke akọnuche ahụ dere duu, kama O mere ka ị mata na Ọ chọrọ ka ị rapụ mmehie gị niile, ọ bụrụ kwa na ikwenyere dịka ndị ahụ mere, wee zaa sị "Onye-nwe-ayi ekwem," Onyenweanyị zọpụtara gị wee nye kwa gị ozi ị lụrụ Ya ọlụ.

Mgbe ị nwetara ohere igosi ntakịrị obiọma maọbụ ịlụọlụ nye onyeọzọ, nye nnenanna gị nye enyị gị nye onye nkuzi gị nye Ukọchukwu, cheta na Jisọs eziwo gị ime ya, ọ ga abụ kwa ọñụ nye gị.

## Ịbu Onyeozi Nke Pọl

Anyị mara na okwu niile edere n'Akwụkwọnsọ bụ eziokwu; ha bụ Okwu Chineke. Ya mere, mgbe anyị naagụ akwụkwọ niile Pọl dere, nke ọ naekwu banyere onweya dịka "Pọl onyeozi nke Jisọs Kraist," dịka n'iheọ̀mụ̀mụ̀ nke taa, "Anamagụ na ọ dịgh ụzọ ọ bụla m'nērugh ndị kachasị elu n'etiti ndịozi," anyị makwara n'ezie na ọ bụ Onyeozi Onyenweanyị Jisọs Kraist rọpụtara. "N'ihi na akàrà nke ọlụ onyeozi nkem" ka o kwuworo n'otù oge, "ka unu onwe unu bu nime Onye-nwe-ayi" (I Ndi Kọrint 9:2). Ọtụtụ ụmụmmadụ ahụ emere ka ha chigharịa n'òzìzì Pọl bụ ihe náegosi na ọkpụkpọ ikwusa Oziọma ya sitere na Chineke.

## Ime Ka Ịdị N'otù Guzosieike

Pọl hụrụ ndị nzukọ nke Kọrint n'anya. Ọ hụwo ahụhụ ma kpee kwa ekpere nke ukwu ime ka ha guzosieike n'Oziọma, ma ugbu a ọ naamata na ndị ozi ụgha abịawo n'azụ ya na Kọrint, ịdọrọ ndị gaeso ha n'azụ pụọ.

Ka o nwee ike idebe ịdị n'otù nime nzukọ ahụ, Pọl nwere mkpalite igosi ọnọdụ ya n'ụzọ wereanya dịka ezi Onyeozi na ụkọchukwu nke nzukọ Kọrint n'ụzọ pụrụ iche na nke ndịozi ụgha ahu. O dere akwụkwọ náarịọ ha. "n'idi nwayọ na obi-ọma nke Kraist," ka ha tule inwe ike ya.

## Ịlụagha

Ndịozi ụgha ahụ lekwasịrị Pọl anya dịka onye náejéijè n'ọchịchọ nke anụarụ, maọbụ dịka onye anazọpụtaghị kwa. Ọ̀zịzá Pọl nyere bụ na ọ bụ ezie na ya nwere ụdị arụ mmadụ, ma ọ dịghị agbaso anụarụ dịka ibuso ya agha n'ụzọ ndị náenweghị nzọpụta si eme.

N'akwụkwọ Jemes, anyị naagụ banyere ibuagha nke ndị náamaghị nsọpụrụ Chineke naebu. Ajụrụ ha ajụjụ a: "Òle ebe ibuagha si bịa, bụ nke dị n'etiti unu? Ọ bụgh n'ebe ahụ, bụ́ ihe ụtọ nile unu (óké ọchịchọ) nke nēbu agha n'ihe nile dị unu n'arụ, ka ha si bịa?" Ndị náenweghị nzọpụta naechè karị ihe

banyere náání onweha. Ha na enwe óké ọchịchọ inwetara onweha ihe, náakpọ kwa ndị ahụ Chineke gọziworo asị.

Ha naalụ ọ̀gụ̀, náese okwu, obi adịghị atọ kwa ha ụtọ, n'ihi na ha adịghị, edo onweha n'okpuru Chineke, náarịọ kwa ya ka O nyere ha aka. Ha naeche na oziriezi ibuiwe n'obi megide ndị mejọrọ ha maeleghịanya. Nke ahụ bụ échìchè nke mmadụ nke naebuli onweya elu megide ọmụma Chineke.

### Mgwaagha Nke Imemmụọ

Anyị onweanyị bụ ndị azọpụtaworo nọ kwa n'ibuagha, ma ebe anyi ewusiriike -- mgwaagha anyị -- bụ onyinye amara niile nke mmụọ Chineke naenye anyị. Onyinye amara nke nzọpụta naenyere anyị aka ịnagide ọnwụnwa. Odudonsọ naasachapụ obi anyị nke mere na ọnwụnwa ahụ niile naesi n'ezi náabata, ọ bụgh kwa nime anyị ọzọ. Ọwụwụmmiri nke Mmụọ Nsọ na ọkụ ahụ na emejubiga anyị ókè n'ịhụn'anya Chineke.

Mgwaagha nke imemmụọ ndịa niile naenyere anyị aka ịkwadasị ebe niile ewusiriike nke ekwensu. Anyị naañantị n'Okwu Chineke, náatụpụta kwa "aghụghọ nile, na iru-abụa, na ekworo, na nkwutọ nile dị iche iche" naeso ihe nñomi nke Jisọs "Onye, mgbe anēkwutọ Ya Ọ digh-ekwutọghachi ọzọ; mgbe Ọ nāhụ ahụhụ, Ọ digh-aba nba; kama Ọ rara Onwe ya nye n'aka Onye ahụ Nke nēkpé ikpe ziri ezi" (I Pita 2:1, 23).

### Ịdọta Échìchè Niile N'agha

Akwụkwọnsọ naekwu banyere mmadụ sị: "Dika o si échìchè ná nkpuru-obi-ya, otú a ka ọ dị" (Ilu 23:7). Anyị niile chọrọ ibu ezi ndị nke Kraist -- ụmụ okorobịa na ụmụ agbọghọbịa, ndị Onyenweayị gaenwe obiụtọ nime ha. Iheọ̀mụ̀mụ̀ anyị taa naagwa anyị ihe anyị gaeme bụ ịdọta kwa "ihe nile ọ bụla anēchèpụta n'agha ịña nti Kraist."

Échìchè ọ bụla naabata anyị n'obi ka anyị gaajụ maọbụ kwa nabata, dịka ọ gaesi masị Jisọs. Ọ bụrụ na ọbụ échichè ọjọọ, nke naegbu mmụọ maọbụ échìchè nnyocha, ka anyị jù ya; n'ọnọdụ ya kwa ka anyi kụnye échìchè dị ọcha, échìchè kwesịrị ịhụn'anya, échìchè ihe ekwuru nkeọma, dịka Akwụkwọnsọ naagwa anyị ime (Ndi Filipai 4:8).

### Ịdị Umeala Nime Kraist

Ndị Kọrint hụrụ ịdị mma n'anụarụ nke ndịozi ụgha ahụ, ma Chineke hụrụ mkpụrụobi Pọl nke kwesịrịntụkwasịobi, ezi mmetụta n'obi banyere ndị ahụ. Pọl kwosara ha ekworo n'ụzọ ịsọpụrụ Chineke. Ọ chọrọ ka ha nweta odudonsọ doro anya, ka ya na ha wee nọkọ ná Mbiliten'ọnwụ nke Mbụ -- inwe ngọzi nke njikọta n'otù na Kraist mgbe Ọ gaabịa iwere ndị Ya.

Pọl tụrụ egwù naaga arafu ha maọbụ duhie ha site n'aghụghọ na ọnyà nke ekwensu, nke anaanwa iwezuga uche ha site n'ịñá Kraist ntị. Ọ̀zízí nke ndịozi ụgha a ọ gaaka ha mma karịa ọ̀zízí nke Pọl?

### Ebubo Ụgha

Ndịozi ụgha ahụ kwenyere na akwụkwọ niile Pọl dere dị aró dị kwa ike, ha wee sị kwa "Ọnunọ nke arụ-ya n'etiti ayị adịgh ike, okwu ya bụ kwa ihe akpọrọ ihe-efu." Kama gịnị bụ eziokwu ahụ pụtara ìhè? Mgbasa nke iru Pọl na Kọrint siri nọ ike nke mere na ikwusa Oziọma ya bụ ntọala nke okwukwe ha. Mkwuwaokwu ya dị nọ ike nke ukwu na akpọrọ Pọl ọ̀kù mgbe ọ nọ n'Athens ka o kwueokwu n'ugwu Areọpagọs, ụlọ ikpe kachasị ukwu n'obodo ahụ. Mgbe o gosịrị onweya n'iru Eze Agrippa, eze ahụ mara jijiji na mkwusa okwu nke Pọl, wee sị, "I nēji okwu ntà eme ka m'kwenye ibụ Kristian" (Ọlụ Ndị-ozi 26:28).

Ọ dị ka Pọl adịgh ekwuokwu mgbe ọ bụla dịka onye tozuru n'ihe ọ̀mụ̀mụ̀ dịka ọ bụ, n'ihi na ọ sịrị, "Kraist eziteghm … kama izisa ozi-ọma: ọ bụgh na-amam-ihe nke okwu, ka aghara ime ka obe Kraist buru ihe-efu" Náakwụkwọ mbụ ya nye ndị Kọrint, o dere, "Mu onwem kwa, umu-nnam, mgbe m'bịakutere unu, abịaghm n'ọka-okwu ma-ọbụ n'ọka amam-ihe, nēkwusara unu àmà nke Chineke. N'ihi na ezuberem ka m'ghara imata ihe ọ bụla n'etiti unu, ma-ọbụgh Jisus Kraist, ka m'mata kwa Onye ahụ ka onye akpọgideworo n'obe."

**Pọl Abụghị  Ibu Arọ**

Pọl kpeere ndị ya chègharịrị ekpere, náekwusakwara ha oziọma n'ihi na ọ hụrụ ha n'anya. Ọ bụ ezie na ọtụtụ nime ha bịara irita urù ego n'aka ụmụmmadụ ahụ. Pọl lụrụrịọlụ n'etiti ha náanaraghị ụgwọ ọnwa. Ọ lụrụọlụ dịka onye n'akpàákwà n'oge mbụ ọ bịaruru Kọrint, ma mgbe mkpà kpakwara ya ụmụnna si na Macedọnia nyeere ya aka, nke mere na ọ bụghị ibu arọ ọ bụla nye ndị ahụ nọ na Kọrint. Ọ sịrị "Achọghm ihe-unu, kama ọ bụ unu onwe-unu."

**Ọ̀tụ̀tụ̀ Nke Chineke**

Ndịozi ụgha ahụ naatụ̀ onweha n'etiti onweha, wee náechè na ha naeme nkeọma, kama ezi ọ̀tụ̀tụ̀ nke ndụ onye ọ bụla, bụ Okwu Chineke. Ike Pọl nwere dịka Ụkọchukwu nke nzukọ Kraist dị na Kọrint bụ ndidi ya, na iheiribaàmà na iheịtụnanya na ọlụebube nke Onyenweanyị lụrụ ka Pọl naekwusa Okwu ahụ (Mak 16:17-20). Ndịọzọ ahụ naanya isi na ha bụ ndị Israel -- ụmụ Abraham -- wee kwere na ha bụ ndịozi nke Kraist. Pọl naanyaisi ná mkpagbu na adịghịike, n'ihi na mgbe ọ náadịghị ike ka ọ naadabere n'Onyenweanyị wee náadị kwa ike na Ya.

Apịara Pọl ụtarị tụ kwa ya nkume, ụgbọ ọ nọ nime ya kpuru, ọ nọ kwa n'iheizendụ n'ọhịa na n'iheizendụ n'etiti ụmụnna ụgha, n'ịdọgbu onweya n'ọlụ na n'ịhụjuanya, n'óké agụụ na akpịrịịkpọnkụ, n'ekpere na ibuọnụ ọtụtụ mgbe, náebu kwa n'obi ya mkpagbu niile nke ndị ahụ nọ ná nzukọ Kraist niile. Ọ bụrụ na onye ọ bụla adịghịike, adịghịike ahụ naemetụta ya n'arụ. Ọ bụrụ na emejọ onye ọ bụla, ọ naewutekwa ya.

**Otuto**

Pọl kwuru ihe banyere ebube nke Chineke na mkpagbu nke O siri n'Eluigwe kpughere ya; ọ nyaghịisi n'ihe ndịa, n'ihi na ọ mara na "onye ya onwe-ya nēme ka amara ya, Ọ bụgh onye ahụ ka anwapụtaworo, kama ọ bụ onye Onye-nwe-ayi neme ka amara ya."

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 Gịnị mere Pọl jiri nwe mkparịta ịnọchita ọnọdụ ịbụ onyeozi ya na ijeozi ya?

2 Gịnị ka ọ kpọrọ ndị ahụ bịaworo ịdọrọ ndị gaejeso ha n'azụ?

3 Òlee ụdị ibuagha eboro Pọl ebubo na ọ naebu?

4 Òlee ụdị ibuagha ndị nke Kraist naebu?

5 Gịnị mere o ji dị nnọọ mkpà ịdọta "ihe nile ọ bụla anēcheputa n'agha ịña ntị Kraist?

6 Òlee otú anyị si mara na nguzo nke Pọl n'onweya jụpụtara n'ik na okwuọnụ ya na apụta kwa n'ike n'ike?

7 Gịnị mere Pọl ji náejere ndị Kọrint ozi náanaraghị ụgwọọlụ?

8 Gịnị mere ọ náejighị bụrụ ihe ziriezi iji onweanyi tụ onweanyị?

9 Gịnị naegosipụta na enyere Pọl ike dịka ezi onyeozi nke nzukọ Kraist dị na Kọrint?

10 Nime gịnị ka Pọl naanyaisi? N'ihi gịnị?